Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.8 No.3 September, 2025; p.g. 19 – 30; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)

NNYOCHA OMENAALA NA NKWENYE NDỊ IGBO KA HA SI PỤTA IHE N'EJIJE NWATA BULIE NNA YA ELU SI N' AKA

UGWUOKE, PRISCILLA EBERE (Ph.D)
NGALABA LINGWISTICS, IGBO NA ASỤSỤ NAỊJỊRỊA NDỊ ỌZỌ DỊ NA NSỤKA
EMAIL: ebere.ugwuoke@unn.edu.ng
PHONE: 08037786613

ONYEGIRI, CHIKODI DYMPNA (Ph.D)
NGALABA LINGWISTICS, IGBO NA ASỤSỤ NAỊJỊRỊA NDỊ ỌZỌ DỊ NA NSỤKA
EMAIL: chikodi.onyegiri@unn.edu.ng
PHONE: 08038870826
NA
ARUAH, VIRGINUS ONYEBUCHI
NGALABA LINGWISTICS, IGBO NA ASUSU NAỊJỊRỊA NDỊ ỌZỌ DỊ NA NSỤKA
EMAIL: Onyebuchi.arua@unn.edu.ng
Phone: 08039482647

ỤMỊ EDEMEDE

Ndị Igbo tụrụ ilu sị na Nwata bulie nna ya elu, ngwongwo na ngwogwo awụchie ya anya. Ngwogwo na ngwogwo ndị ahụ bụ omenaala na Nkwuenye ndị Igbo ka ha si metuta nchọcha a. Ndị nchọcha lebara imata etu omenaala na nkwenye si bụrụ njirimara ndị Igbo. Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ịnyocha omenaala na nkwenye ndị Igbo nke pụtara ihe n'akwụkwọ ejije "Nwata Bulie Nna Ya Elu" nke Inno Nwadike dere. Nke a bụ maka etu Igbo siri hụta omenaala ha na ka ha si nwe nkwenye n'ihe di iche iche ha na-eme nke pụtara n'agụmagụ Nwata bulie nna ya elu nke Inno Nwadike dere .Odee gbasoro usoro sekọndịrị wee mee nchọcha ya majirikwa atụtụ Iche ọgụụ maka ihe o dere. Ihe nchọcha a nwere bụ Usoro anọ. Nke mbụ bụ ebe e nwere ntọala, mbunuche, uru, oke nchọcha, nhiahụ, usoro, ụdị nakwa nhazi nchọcha. Nke abụọ bụ ebe e mere ntulegharị agumagụ, ebe a lebara anya n' ọkpụrụkpụ isiokwu, ụsọdụ ọrụ emerela banyere isiokwu nakwa atụtụ nnyocha gbasoro. Nke atọ bụ ebe atụchara data ejiri rụọ ọrụ ya bụ omenala na nkwenye ndị pụtara ihe n'ejije "Nwata Bulie Nna Ya elu". Usoro anọ bụ ebe emere nchọpụta Ihe ndị nchọcha chọputara. Nke gosiri na e jị ejije a zie ozi mgbaghara mgbe mmadụ mejọọ mmadụ ibe ya. Nchọcha a gosipụtara na ọ dị mkpa ikuziri ụmụakwụkwọ gbasara agụmagụ Igbo maka mmụta omenaala na nkwanye ha. Nchọcha a gosipụtara na ejije Nwata Bulie Nna Ya Elu bụ agụmagụ rụrụ ọrụ ka enyo ejị ahụta Ndụ, Omenaala na Nkwenye ndị Igbo. Nchọpụta ọzọ gọsipụtara Omenaala kachasi ndị Igbo mkpa dịka-ekele, ile ọbia, ịgọ ọjị, ike ekpe/iri ekpe, Asụsụ na Ezinụlo. Nchọpụta gosiputara na ndị Igbo bụ ndị nkweyere na Chukwu ukwu na chi nta.

Okpụrụkpụ okwu: Nnyocha, Agụmagụ, Ejije, Omenaala, Nkwenye.

NTỌALA NCHỌCHA

Agụmagụ bụ enyo eji ahụ ndụ. Agụmagụ bụ ekemekeuche. Ọ bụ ekemekeuche bụ ndụ jị

na agụmagụ ọnụ. Nke a gosikwara n'agụmagụ ọnụ gụnyere akụkọ ọdịnaala niile a kọrọ n'ọnụ, abụ niile a na-agụ n'ọnụ, akụkọ ifo, ilu, akpaalaokwu, agwụgwa na okwu nka niile e a na-agụ n' ọnụ, akụkọ ifo, ilu, akpaalaokwu, agwụgwa na okwu nka niile e nwere n' Igbo. Nze (2010) kwadoro n' agumagu bụ agụmagụ nka sitere na ntọala agụmagụ ọnụ. Agumagu ederede bụ nke edere n' akwụkwọ.

Ihe ọ bụla mmadụ chọrọ ime, a ga-enweriri ihe ndị kpalitere mmụọ ya O chọọ ka ome e ya. Mkpalite mmụọ ndị nchọcha sitere n' ntuzi aka Okebalama (2003) nke kwuru n' ntoaala agụmagụ ugbu a sitere n' agụmagụ ọdinaala. Agụmagụ ọnụ ndị Igbo bụ ihe gbasara omenaala na Nwenye ha. Ya mere ndị odee jị nwe mmasi ka ha mara ma nke a Ọ pụtara n'agụmagụ ederede ya mere na ji chọ ileba anya n'ejije ederede *Nwata Bulie Nna Ya Elu* bu ejije Inno Nwadike dere n' afọ 1992. Ka ha chọpụta etu agụmagụ ọnụ siri bụrụ ntọala ejije legbu a.

MBUMNUCHE NCHỌCHA

Na nchọcha, a nke isiokwu ya bụ nnyocha Omenala na Nkwenye ndị pụtara ihe N'akwụkwọ ejije *Nwata Bulie Nna Ya Elu* nke Inno Nwadike dere. Ndị nchọcha nwere ebumuche ndị a- Nkọwa nkenke akụkọ banyere ejije *nwata bulie nna ya elu* nke Nwadike I. U. dere.

Igosipụta Omenala na Nkwenye ka ha si pụta ihe n'ime akwụkwọ ejije a.

OKE NCHỌCHA

Oke nchọcha bụ nkenke akụkọ maka ejije a, Omenaala na Nkwunye ka ha si pụtagasị ihe n' akwụkwọ ejije Inno Nwadike nke Ọkpọrọ *Nwata Bulie Nna ya Elu*.

URUNCHỌCHA

Nchọcha ga-aba ọtụtụ uru nke gunyere Inye aka n'ikwalite ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụdị ịnomi eziagwa na ndụ ndị Igbo nke odee depụtara n'ejije ahụ. Nchọcha a ga abara ụmụ akwụkwọ, ndị nkụzi, ndị nhazi kọrịkọlum Igbo, ndị Odee akwụkwọ Igbo, ndị gọvụment na ndị nne na nna uru maka ikuzi ezigbo agwa n' ala Igbo ụwa dum.

Ụmụ akwụkwọ ga-eritekwa uru na nchọcha a n'ihi na ọ ga-enyere ha aka maka Igbaziri ha etu esị eme nchọcha n'ọdịniiru.

NHỊAHỤNCHỌCHA

Igbo kwenyere na ike anaghị agwụ onyena-aga n'ụlọ ya ganye ma o ruru ebe ọna-aga. Nke kpatara ndị nchọcha siri gụọ ọtụtụ akwụkwọ dị iche iche gbasara agụmagụ nka na etu esi enyocha ya iji nyere ha aka ịmata ihe a tụrụ anya n'aka ndị nchọcha banyere isiokwu ha na enyocha. Ha gara n'Oba akwụkwọ dị iche iche ịchọ akwụkwọ ndị ga-enyere ha aka na nchọcha ha. Ọba akwụkwọ ndị ha gara gụnyere Ọba akwụkwọ nke Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijịrịa ndị ọzọ nakwa Oba akwụkwọ Nnamdi Azikiwe nke Mahadum Naịjịrịa, Nsụka. Ebe nchọcha anyere nsogbu bụ na itụgharị ụfọdụ mkpụrụ okwu enyere nkọwa ha n'asụsụ bekee mana ha gbaliri oko ha iji mee ka nchọcha kwụrụ etu a. O were ọtụtụ ogena atụtụ egomaka ntụgharị dị iche iche ha mere.

USORONCHỌCHA

Usoro onye nchọcha gbasoro inweta ngwa eji mee nchọcha. Atụtụ nchọcha a gbadoro ụkwụ na ya bụ atụtụ Uche ogụụ na usoro nsipuru sekọndịrị inweta a ngwa e ji rụọ ọrụ. Ngwa ndị

a gụnyere akwụkwọ agụmagụ jọnalụ, akwụkwọ si n'Ikụkụ ịtanentị nakwa akwụkwo Ejije *Nwata Bulie Nna Ya Elu* nke ogụụ jiri uche ha chopụta ma kọwaa ihe ha gụtara n' ejije a.

ỤDỊNCHỌCHA

Nchọcha a dị n'ụdị nkọwa, nke nyere ndị nchọcha aka ịkọwapụta etu Nwadike si zipụta ma kọwapụta omenaala na nkwenye ndị n'ejije *Nwata Bulie Nna Ya Elu.* Ọ bụ nchọcha gbadọrọ ụkwụ n' akụkọ na nkọwa ihe mere n' akwụkwọ ejije ederede.

NHAZINCHỌCHA

Usoro eji hazie ihe ndị emere gụnyere: ileba anya n'akụkọ dị n'ejije, izipụta omenala na nkwenye ndị pụtara ihe n'ejije a site n' atụtụ uche ọgụụ. Nke bụ ka ndị ọgụụ siri ghọta ihe odee ziputara n'ejije ya. Ndị nchọcha jiri akwụkwọ Ejije ahụ chọpụta ihe niile ha zipụtara na mbunuche ha.

NTULEGHARỊAGỤMAGỤ

Nkebi a lebara anya n'itulegharị ọkpụrụkpụ okwu pụtara ihe n'ime isiokwụ ha na-ede, ihe merala gbasara isiokwu na atụtụ nchọcha gbasoro. Okpụrụkpụ Isiokwu ndị h atụlegharị ndị ọzọ gụnyere; Nnyocha, Agụmagụ, Ejije, Omenala na Nkwenye.

Nnyocha

Ngara (1982) kọwara nnyocha dịka ụzọ esi achọ ajụjụ dị mkpa n'ụzọ a haziri nke ọma doro anya. Nkea gosipụtara n'oge ọbụla ana-eme nnyocha, ebumnobi onye nchọcha kwesirii bụ ka ọ ga-esi chọpụta ihe ọhụrụ n'ime ihe ọ na-enyocha.

Reeves (1979) hụtara nnyocha dịka nnukwu ihe dị n'agụmagụ Ọ hụtara ya dịka mgbazi dị n'agụmagụ n'ụzọ ileba anya n'ihe edemede na-ekwu maka ya, nhazi akụkọ, nkasụsụ nke e jiri dee agụmagụ, ejije, akparamagwa ndị akpọrọ aha, omenala ndị pụtara ihe Ohanaeze na-agbarụrụ ihu, isiokwu, ntọala akụkọ na nchịkọta akụkọ ala. Na nkọwa Reeves (1979), nnyocha bụ otu n'ime ụzọ esi elebara agụmagụ anya, iji wee mata omenala ndị pụtara ihe, agwa na akparamagwanakwa nke eji ahụta ndụ.

Agụmagụ

Agụmagụ bụ enyo nke ndị mmadụ na-eji elegara ndụ ha anya. O dịka enyo, agụmagụ na-ahụta ndụ ndị n'ụzọ dị iche iche. Fafunwa (1967) hụtara agụmagụ dịka ndụ, n'ihi na o metụtara mmekọrịta mmadụ na ibe ya, obi ụtọ na ihe nwute ya, ihe ọdachi na mkpa obiọma, egwu ya na olile anya ya.Nke a gosipụtara na agụmagụ na-egosiputa obibi ndụ ndị mmadụ.

Nze na Imo (2010) hụtara agụmagụ dịka echiche mmadụ chepụtara n'obi ya wee dee ya edee ma ọ bụ kwuputa ya n'ọnụ nke na-enye amamihe, mkpalite nke mmụọ, obi ụtọ ma ọ bụ obi ọjọọ nakwa afọ ojuju. Na nkọwa Nze (2010), agụmagụ bụ nke a ga-echemi echiche wee dee, ọ ga-abụkwa nke ga-esite n'obi odee ma nyekwa ndị ọgụụ afọ ojuju site na iji nka ya zipụtq ndụ ahụrụ anya.

Ejije

Ejije bụ otu n'ime ọkpụrụkpụ okwu nke onye nchọcha jiri kwara ngwa ọrụ. O bụ ihe kwere nghọta na ejije ederede amaliteghi n'oge dị ka o si metụta agụmagụ ọdịnaala ma atụnyere ya iduaazi. Nwadike (1992) kwadoro n'ejije amaliteghi n'oge site n'ikwu na o bidoro n'afọ 1974.

Ngara (1982) kọwara n'ejije ederede nwekwara akụkụ ngwa dị iche iche, ha gụnyere; elu nkwago, ngwa mmepụta, ndị ntuziaka, nduzi na ndị nduzi, ịnye ọkụ na onye isi, ndị nkịrị dgz. E nwegasiri nkenụụdị ejije; ha gụnyere; ejije ọdachi, ejije mkpọobiọma, ejije mmefuoke, ejije ogbi, ejije ọdachi-mkpọobiọma dgz.

Omenaala

Omenala bụ ihe niile na-ezipụta ka ndị si ebi ndụ ha. Anozie (2003) kwuru na omenaala bụ ụzọ dị iche ichendị mmadụ si e bindụ ma ọ bụ ka ndị si eme.Ụzọ ndị agụnyere ejiji ha, nri ha, nkwenye ha dgz nke eji mara ha.

Ochonma (2021) kọwara n'Omenaala bụ otu okwu na-egosipụta ka obodoma ọ bụ Mba ọ bụla si ebi ndụ, ka ha si eme alụmalụ, ekpukperechi ha, ka ha sị e nwe mmasị na ewumewu na Usoro ndụ ha.

Nkwenye

Nkwenye ndị Igbo bụ ihe ndị ahụ dị iche iche ha kwenyere nay a na agbanyeghị na mmadụ apụghị ihu ha anya mọbụ metu ha aka. Ezeuko (1986) hụtara nkwenye dịka ụzọ ndị Igbo si elegara ma na-egosikwa nsọpụrụ ha nwere n'ebe ihe a hughi anya ma nwekwa nchekwube nankwenyen'imeiheahụ nwere.NdịIgbobụ ndịkwenyeren'ọtụtụ ihedịkaomenaalahasi gosipụta nke gunyere ọtụtụ ihe ndị a - ilọ ụwa, ogbanje, amosụ dgz.

Nze(2010) kọwara nkwenye ndị Igbo dịka ihe ndị ahụ dị iche iche ndị Igbo kwenyere na-eme ma ọ bụ na ha dị n'agbanyeghị na mmadụ apụghị ihu anya ma ọ bụ metu ha aka.

ATỤTỤ IHE EMERALA GBASARA ISIOKWU

Ukwuaba (2014) n'ihe nchọcha ya O kpọrọ Omenaala Ntụmaka N'obowo. Nbunuche ya bụ idepụta ma mee ka ọhanaeze mara maka Omenaala ntụziaka, Ileba anya na Omenaala Ntụmaka iji mara ọnọdụ ya, mpụtara ya na etu e sị eme ya, igosipụta ụmụ ihe a na-emegasi n'omenaala ntụmaka, iji mara ma e nwere ihe ojọọ a na-eme na ya bụ omenaala ma gbaa ya n'anwụn Nakwa igosipụta uru dị na ya maka ọganihu obodo. Ukwuaba (2014) bụ na ọ gara n'ụlọ ndị ọ gbara ajụjụ ọnụ mee nchọcha a, na eserese foto. Ọ bụ site n'ajụjụ ọnụ ọ gbara ndị ahụ ka o si mata ihe ndị a na-emegasị na ntumaka. Ọ chọpụtara na mba ụwa niile gbaa gburugburu nwere Omenaala site n'ụzọ dị iche iche nakwa n'oge dị iche iche na ndụ ha. Ndịiche di na nchọcha Ukwuaba (2014) na nchọcha a bụ na Ukwuaba (2014) na-akọwamaka ntụmaka n'obodo ebe nchọcha lebara anya n'omenaala ndị pụtara ihe n'agụmagụ Nwadike bu *Nwata Bulie Nna Ya Elu*. Myiri dị na ha abụọ bụ na ha abụọ na-elebe anya n'omenaala.

Ndunagum (2016) n'ihe nchọcha ya nke O kpọrọ *Nnyocha Ndịna na Akanka Ejije Ajọ Obi* nke G. I Nwozuzu Dere Mbumnuche ya bụ ilebanye anya n'akwụkwọ ejije *Ajọ Obi* iji wee chọpụta ndịnaya na akanka ya. Usoro Ndunagum (2016), gbasoro sekondiri bụ nchọcha eji akụkwọ. Ọ chọpụtara na odee webatara ihe ndị ahụ mebere ndịna n'ụzọ kwesịrị ekwesị n'ime ejije ya. Ọ chọpụtara na Odee webatara atụmatụ okwu na atụmatụ echiche n'ụzọ kwesịrị ekwesị.

Ndịiche dị na nchọcha Ndunagum (2016) na nchọcha a bụ na nchọcha Ndunagum na-elebanye anya na Ndịna na Akanka Ejije Ajọ Obi ebe nchọcha a gbadoro ukwu na omenaala na nkwenye ndị pụtara ihe na *Nwata Bulie Nna Ya Elu. M*yiri dị na Ndunagum (2016) na nchọcha a bụ na ha abụọ bụ sitere n'otu ngalaba agụmagụ bụ ejije.

Chukwu (2019), na nchọcha ya bụ nkwenye ndị Igbo dị ka o di na *Nke Njika* nke gi Nwozuzu, Gildere. Mbunuche ya bụ ịchọpụta nkwenye odịnaala ndị Igbo dị iche iche dịka ọ dị n'akwụkwọ *nke m ji ka Nkowa b*ụ Ileba anya na nkwenye ndị Igbo ka ọ dị ugbua na uru Nkwenye Odịnaala ndị Igbo bara. N' usoro nchọcha ya, Ọ gbadoro ụkwụ na ntụcha na nnyocha nkwanye ndị Igbo. Ọ chọpụtara na nkwenye ndị Igbo ụfọdụ ndị ahụ nke odee webatagasịrị n'ejije *Nkem ji ka b*ụ ọrụ nka nke zipụtara nkwenye ma ọ bụ omenala obodo ndị mmadụ bị n'ime ya bụ obodo.

Ndiiche dị na nchọcha chukwu (2019) na nke a bụ na nchọcha chukwu (2019) gbadoro ụkwụ na nkwenye ndị Igbo dị ka ọ dị na "*Nke m ji ka"* ebe nchọcha a gbadoro ụkwụ n'omenala na nkwenye dị n'akwụkwọ agụmagụ ejije Nwadike Nwata Bulie Nna Ya Elu. Chukwu (2019) Myiri ha bụ na ha abụọ na-elebanye anya na nkwenye n'agụmagụ ejije.

ATỤTỤ NCHỌCHA GBASORỌ ATỤTỤ UCHE ỌGỤỤ

Nke a bụ atụtụ malitere n'afọ 1960 na Mba U.S na Germany site n'aka Norman Holland, Stanley Fish, wolfgang iser, Hans-robert Tauss, Roland Barthes na ọtụtụ ndị ọzọ. Nke a bụ otu n'ime atụtụ nnyocha gbadoro ụkwụ n'ikọwa ihe ogụụ hụtara dịka ọ na-agụ ọrụ nka. Ha kwenyere na ọrụ nkana emereme ya na-agakọ ọnụ. Ha chọpụtara na agaghị ekewa ogụụ na echiche ya dịka o si metụta agụmagụ. Ha hụtara ọgụụ dịka ihe dịkarịsịrị mkpa nye agụmagụ nka. Atụtụ a kahahụtarana ọgụụ ekwesighi ị kwenyecha n'ihe niile ha chọpụtara n'ọrụ nka, kama na ọ ga-agba mbọ wepụta ezi mpụtara dị mma nye ihe ọ chọpụtara.

NTỤCHA ỌRỤ NCHỌCHA

Agba nke a ga-eleba anya n'ihe ndị a: Akụkọ dị n'ejije, omenaala naka o si pụta ihe, Nkwenye ndị Igbo na ka ha si dị n'ejije e ji eme nchọcha, *Nwata Bulie Nna Ya Elu*.

AKỤKỌ DỊ N'EJIJE

Nwata Bulie Nna Ya Elu bụ ejije nke Dkt. Nwadike I. U. dere n'afọ (1992). Ọ dị ihu akwụkwọ otu narị na iri na abụọ (112). Emume ya malitere na nke mbụ ruo na nke anọ, o nweghị okwu mmalite kama o nwere okwu ikpeazụ. Ndị bipụtara ya bụ ndị Pacific Publishers Ltd.

Ndị Igbo turu n'ilu wee si na onye ekoteghi, ọgọdọ ya ekotere ya. Maazi Ikike na ndị nwunye ya bụ Ahụdiya na Ọkọdọ bụ ndị umeala nakwa ọgaranya e nwere n'obodo mana nwa ha bụ Emuka gbara isi akwara jụụ na ha agaghị aṅụ mmịrị tọgbọ iko site n'agwa ọjọọ dị iche iche nke ọ na-akpagasị nke obodo, ọ bụladị ọha mmadụ anabataghi.

Ejije a gbadoro ụkwụ n'akwụkwọ ozi ọma (Luk15:11-32) ebe elebanyere anya maka nwata lara akụ nna ya n'iyi. Igbo kwuru okwu wee sị na o nwere ihe mere ede o bee nwịị. Ọ bụ eziokwu na agwa ọjọọ Emuka malitere na nwata ma ebe ọ nọ pụtachaa ihe bụ ka ọ hụrụ ndị enyi ya bụ Madụmere na olọrọọhụụ ka o si ugbo a lọta. N'uche ya, o kwenyere na ya kwesịrị ịka ha mma maka na oge ha nọ n'ụlọ akwụkwọ, ọ bụ ya bu Emuka na-azunye ha ihe. Ọ tara onwe ya ụta wee gwa Nna ya ka o kee Akụnụba ya nye ya nke ruru ya ka ọ pụọ njem gaa ebe ọkụ na enwu n'elu. Igbo kwuru okwusị na-anọkọ ọnụ nyụọ mamịrị, ọ gba ụfụfụ, Nna Emuka Ilokae kweghiịnyeEmuka ego.Ilokabịarakọtaraya enyi yanwoke ka Emuka si emeso ya omume, enyi ya nyere ya ndụmọdụ ma gbaa ya ume ka o nye ya ego ka ndụ ya dịrị ya. Maazi

Iloka nyere Emuka ego ma nye ya ndụmọdụ dịka nna si e nye nwa ya ọ hụrụ n'anya ndụmodụ.

Emuka, onye chere na ọkwụrụ ga-aka onye kụrụ ya, gara nupu isi na ndụmọdụ nna ya wee gbarisie ego nna ya nyere ya site na enyemaka ụmụ nwaanyị. Ijiji anaghị anụ ntị na-eso ozu ala mmụọ. Kaego gwụrụ, Emuka tawara ahụhụnke kpatara na ọ kpebiri na yaga-alakwuru nna ya, ọ bụrụ nri ka ya ri we kama ọga-anwụ n'obodo ndị ọzọ. Ọ kwụrụ na onwe ya ọ bụrụ na mmehie adighị, mgbaghara agaghị adị wee mkpebi ịlọghachị n'ụlọ nna ya Tupu Emuka a lọta, nna ya bụ Iloka agbaghara la ihe o mere ya. Nke kpatara na mgbe ọ lọtara, nna ya mere ya mmemme n'ebe ọ dị ukwuu.

OMENALA NAKA OSIPỤTA IHE N'EJIJE *NWATA BULIE NNA YA ELU*

N'ejije *Nwata Bulie Nna Ya Elu,* Nwadike gosipụtara omenala n'ụzọ pụrụ iche. O ji omenala ndị a gosipụta ihe ndị dịkarịsịrị mkpa n'obodo na ndụ ndị Igbo. Nke mbụ bụ Ekele.

Ekele:

Ekele bụ otu n' ime omenaala Igbo nke ha ji egosipụta obiọma, ihu ọcha, nnabata n' ebe mmadụ ibe ha nọ na mmasị n' ebe onye ọbia nọ ma ọbụ onye e mere ihe ọma. N' ala Igbo, onye ghọrọ mmadu ekele na-egosi na o nwere ihe ọjọọ o bụrụ onye ahụ n' obi. Nke a ka Nwadike zipụtara n'ejije ya n'ihụ akwụkwọ atọ (3) mgbe Nneezi bịara ikpesara Iloka maka agwa ọjọọ Emụka na-egosipụta.

"Ọ dị mma.
Nna anyị,
ndeewo (ihu 3)
Iloka: Ndeewo,
Ada mmadụ..." (ihu3)

site n' atụtụ ụche ọgụụ, Iloka nabatara Nneezi na ije udo ọ biara. Nke a mere o ji si ya. Ọ di mma Ndeewo n' ihu akwụkwọ Nke ato (3). Nke a egosiri na ha chọrọ udo, mkpezie n'ihi ọnọdụ di ha n'ihu bụ ajọọ agwa Emuka. Ndị Igbo jị ekele egosị obioma na ichọ udo.

Ihe ọzọ bụ omenaala ndị pụtara ihe n'akwụkwọ *Nwata Bulie Nna ya Elu* bụ

Ile ọbịa: N' ala Igbo, ọbịa bụ onye ha pụrụ ụlọ ya gaa n' ụlọ onye ọzọ. Onye ahụ hapụrụ ụlọ ya ga n' ụlọ onye ọzọ kana akpọ ọbịa maọbụ onye ọbia. Mbge ọbụla mmadụ hapụrụ ebe obi ga ebe ọzọ, ọ ghọla onye ọbia. Ile ọbia bụ mkpokọta omume dị iche iche onye nwe ụlọ na ndị ya siri kpaso onye ọbia agwaa –

N'ihu akwụkwo (9, 10) Nwadike gosiri nnabata/ile ọbịa.

"Gaa n'akpa m wetara m ọjị
Ka m chere ada m nwaanyị Ọsọ
kwa.
Agaghị m ekwo ihe ọjọọ mere m
M chefuo ime omenaala" (ihu 9,10)

Ka Nneezi kwuru na ọnaghị ata ọjị, mazi Iloka kwuru

"...Ibekwe nwa m,
gaa n'ọba,

Ị ga-ahụ ji ndị ukwu ahụ
m sụwachara asụwa,
Chịta anọ n'ime ha" (ihu10, 11) – Nke a bụ ile ọbịa.

Odee zipụtakwara na Ibekwe lere Nneezi ọbịa nke gosiri n'ihụ akwụkwọ nke abụọ
"Biko, buru oche
Ka m kpọọ ya (ihu 2)
Nwaanyị,
Ọ sị ya na ya na-abịa" (ihu 3)

N' ala Igbo, ihe odee gosiri na ebe a bụ na e nwere ụdị ọbịa di iche iche, etu ahụ e si nwe ụdị obia, ka e si enwe ụzọ dị iche esi ele ha ọbịa. Ndi Igbo na-akpa chapụrụ ọbịa ha anya nke gosiri n' Ejije Nwata Bulie Nna Ya Elụ Nke a bụ igosipụta obi ọcha n'ebe onye ọbịa nọ. A na-eji ọjị, a nara, mmanya nakwa ihe ndi ọzọ eleta ọbịa. Nke a pụtara ihe mgbe Iloka wetara ọjị nye Nneezi. O lekwara ya ọbịa site n'inabata ya nke ọma ma nyekwa ya jị.

Nke ọzọ bụ omenaala ụsọrọ Iche Ọjị / Ịgọ:
Iche Ọjị/Ịgọ bụ usoro na omenaala onye Igbo si enye onye maọbụ ndị biara n'ụlọ ha ọjị. Ọnọdụ ọbụla n' ala Igbo nwere usoro iche/ ịgọ ọjị. N' ala Igbo, amaghị ata ọjị ọbụla echere eche ma ọ bụrụ na a gọghị ya. Ọ bụ nna nwe ụlọ na-agọ ọjị n' ala Igbo nke gosiri kwa na ọ bụ onye kacha bụrụ okenyen'ala Igbo na-agọ ọjị. Odee mere ka nke a pụta ihe oge Nneezi bịara ikpesara ha maka nwa ha bụ Emuka. Mgbe Iloka kwuru

"Gaa n'akpa m wetara m ọjị
Ka m cheere Ada m nwaanyị....."(ihu9)

Ozokwa ọ bụ nwaanyi ga-aga weta ọjị bunye Di ya bụ Nna nwe ụlọ. Nke a pụtakwara ihe mgbe Iloka cheere ndị ọhanaeze ya ọjị ka ọ kpọkọtara ndị obodo.

Hee ihụ akwụkwo (99)
"buterenụ m ọjị
Anyị enwekwaanụ ọjị o" (ihu99)

Omenaala ọzọ pụtara ihe n'ejije abụ:
Ike ekpe: Nke a bụ ọnọdụ mmadụ nọ ndụ dowere ihe akụ na ihe enwe enwe o nwere tupu ọ nwụọ. Nzeakọ (1972) kọwara na n'oge ochie, ndị Igbo na-eke ekpe ha tupu ha anwụọ mana n'oge ugbua, ndị mmadụ na-ede ihe ha chọrọ ike n'ekpe n'akwụkwọ. Ọtụtụ mgbe ka ọ na a bụ mmadụ ga-anwụ n'ala Igbo o bido kwuwe onye ga-ewe akụ na ụba ya nke a ma ọ bụ nke ọzọ na ndụ

Nke a pụtara ihe mgbe Iloka nyere nwaya bụ Emuka ego ọ ji pụọ njem. Nkea pụtara ihe mgbe Iloka siri Emuka

"...Tọọ ngwugwu ahụ
Gụọ ego ahụ agụọ" (ihu35)

N' ebe ọzọ nke ekpe putara ihe dịka ihe ngosi bụ n' ihụ akwụkwo (104) Nwata bulie nna ya elụ-

"Nwee ndidi maka na ekebeghị m ihe ọbụla
Onye richara ibe ji ole ọ nwere otu mgbe

Ji dị n'ọkụ, ọ agaghị ele anya ọzọ
Mgbe a fọturu ite." (ihu104)

N' ala Igbo, na mgbe ochie, Ike ekpe ma ọbụ iri ekpe bụ usoro omenaala ndị mmadụ, nne, ụmụaka n' ezinaụlọ si eme ka akunuba ha rute ndị nke ha aka. Ọ bụ ndị dị ndụ na-eri ekpe ndị nwụrụ anwụ. Ndị n'amamihe ji ụzọ dị otu a eme ka ihe ndị nwụrụ anuru maọbụ ihe onye di ndị ghara ibutensogbu n' etiti mmadụ na ibe ya maka n' ala Igbo, e nwere usoro esi eri maọbụ eke ekpe. N'oge ugbu a ana eke eke site na-ide ya ede nke ana akpọ (Will) n'oge ugbu a.

Asusu bụkwa omenaala pụtara ihe n'ejije a:
Asụsụ: Ụzọ ọzọ eji egosiputa omenaala Igbo bụ site n'asụsụ hibere isi site n'olumba dị iche iche sokwa n' ihe na- emejuputa Igbo Izugbe. Asụsụ olumba bụ asụsụ ọkpụ ndị Igbo. Nke mere e ji si n' Igbo n' asụsụ n' olu mana akwa ụkwara ọ bụrụ otu. Nke a gosipụtara

N'ihụ akwụkwọ iri ise na atọ (53)
"...onye shị omume m arịị ya mma,
Ya gaabụ kpesara obibi ụkpabị" (ihu 53)

Nakwa mgbe Ọgamba na-agwa Onụkwubiri okwu, o wee si

"...Owerre ewere ya ma ọ bụrụkwa ndị Owerre anyị" (ihu 82).

N'otu aka ahụ, odee webatakwara Olundị ndị Asaba. Nke a pụtara ihe oge Ogamba kwuru n'ihu (83)

"Onye Asaba si na
Ife onye achọ
Ka ọ fụ
Ya abụrụ ụka bụrụ ịlụ" (ihu 83)
Asụsụ bụ njirimara ndị n' ala Igbo.

Omenaala ọzọ gunyere Iwube Ezinụlọ:odee gosipụtara omenala ndi Igbo dịka o si metụta ezinụụlọ, odee gosipụtara ezinụụlọ ụba mkpuke n'ihi na Iloka lụrụ ụmụ nwaanyị abụọ, ndị bụ Ikodiya na Ahụdịya. Ọ pụtara ihe ka Ikodiya kwuru

".....Mụ bụ onye isi,
Ma kama ọ ga-akpọ m ezigbo aha,
Ya akpọọ m Ikodiya
Kpọọ nwunyeedi m nke nta, Ahụdịya" (ihu101)

N' ala Igbo, Omenaala ha kwadoro nwoke ịlụ ọtụtụ nwaanyị. Ọ bụ njirimara Ụbara nke na –
egosipụta onye ya na mkpụrụ osisi ojị bụ ndụ ndị Igbo.

Kpọọ nwunye dị m nke nta Ahudiya
ihụ = (101)

NKWENYE NA KA O SI PỤTA IHE N'EJIJE NWATA BULIE NNA YA ELU–gunyere ndị a: Chiukwu na Chinta

Chiukwu:
Ihe doro anya n' ala Igbo bụ na ndị Igbo nwere nkwenye siri ike na chiukwu. Chiukwu na nkwenye ndị Igbo bụ "chi" ahụ kere eluigwe na ala nke anaghị ahụ anya, nụ olu ya maọbụ metu ya aka. Iji gosiputa nkwenye 'chiukwu' a nwere aha dị iche iche e ji atunyere ya n' ala

Igbo. Nke a pụtara ihe odee ji nkwenye ndị Igbo wee nupu njem. Ọtụtụ ebe n'ihụ akwụkwọ ejije Nwata Bulie Nna Ya Elụ sipụtara nkwenye a. Ndị a pụtara ihe n'ebe dịgasị iche iche n'akwụkwọ ejije Nwata Bulie Nna Ya Elu nke gosipụtara nkenye na chiukwu a

Chukwu gọzie gị (ihu7)
O teela m jiri nụwa okwu Chukwu gị ahụ (ihu26)
Chukwu duwe gị, cheekwa gị (ihu 35)
Ọbasị bi n'elu anọkwa m gị n'aka ọ (ihu62)
Ọbasị dị n'elu, onye mara ihe niile (ihu86)
Chukwu Abịama (ihu 87)
Chiukwu (ihu88)
Ọbasị bi n'elu, bịa taa ọjị (ihu 99)

Ozokwa odee sitere n'ejije ya rụtụgasi aka na nkwenye ndị Igbo na

Chinta: N' ala Igbo ha nwere ọtụtụ ihe ha na-akpọ "chi" dika ụbọchi na chinta nke bụ chi ndi ejere 'CHIUKWU ozi'. Chinta bụ obere chi niile nọ n' uwa e nyere chiukwu aka. Ha gunyere ụmụmụọ niile ha nwere ma na–efe. Nke gosipụtara n'ihụ akwụkwọ dị iche iche. Odee gosipụtara nkwenye ndị Igbo gbasara Chinta.

Ojukwu Diobu o mebiela gị isi? (ihu27)
Ukpabị (ihu 53)
Ọ bụ Agwu ka ọ bụ Ogwuwgwu (ihu61)
Ala, Ogwugwu, Amadịọha, Ezeleke, Idemmili, Njaaba (ihu88)
Ndị nnanna anyị (ihu 99)

Nkwenye ndị Igbo na chinta abụghị na ha enweghi nkwenye na chiukwu ka ha were chinta ndị a ka umuodibo ndị na – agara chiukwu osi. Chiukwu bụ nna ndị Chinta maka na ha amaghị ahụ Chiukwu anya ha mebere onwe ha chinta ndị ha na - ahụ anya nke ga ebulite nkwenye ha maka Chiukwu.

Nkwenye ọzọ pụtara ihe n'ejije a bụ maka:

Ezigbo Ndụ: Anozie (2003), kọwara na ihe a na-atụ anya n'aka nwa amaala igbo ọ bụla ma nwoke ma nwaanyị bụ ezigbo ndụ. Ezigbo ndụ ga-abụkwa nke onye na-ebi ya ga na-akwụba aka ya ọtọ n'ụdị na ọ ga na-eme ihe ụfọdụ dịka ikwu eziokwu, ikwanyere mmadụ ibe ya ugwu, irusi ọrụ ike, inyere mmadụ ibe ya aka, ichere mmadụ ibe ya ezigbo echiche, inwe obi umeala, inwe obi ebere na mgbaghara, anaghị ezu ohi, anaghị emeru ala n'ụdị igbu mmadụ na arụ ndị ọzọ dịka ibeene.

Odee gosipụtara ezigbo ndụ na agwa Nneezi, onye chere mmadụ ibe ya ezigbo echiche. A hụtara nke a mgbe ọ sịrị

"Oo nnem
Asị m ebe mụ na unu abụọ
So na-azụ Emuka
Ọ bụrụ na m hụ ihe ọjọọ
Ọ na-eme ma gbachite nkịtị
Ọ gaghị adaba adaba
Ma n'anya Chukwu
Ma n'anya mmadụ ..." (Ihu7)

Ndị Igbo hụtara ebi ezigbo ka ezigbo ihe ezigbo ihe kacha. Ha kwenye na onye na – ebi ezigbo nwere ugwọ di mma na–echere onye ahụ. Ọzọ ha kwenyere na ndị biri ezigbo bụ ndi nọ n' ogo Nna Nna anyi ha

Nkwenye ọzọ bụ Ịkatọ Ajọ ndụ

Ajọ Ndụ: Ajo ndụ mmadụ ime ihe obodo na – aso nsọ maọbụ agbaruru ihụ. Ndị Igbo na – akato ajọndụ n' ebe ọbụla ha hụrụ ya. Ha na - ahụta onye na – ebi ajo ndụ ka ajọ mmadụ Odee gosipụtara nkwenye ndị Igbo gbasara Nkato ajondu ihu akwụkwọ nke iri na ato (13).

"Emuka,
Ndị Igbo tụrụ n'ilu sị na
Mmetọ emetọrọ ọgaranya
Ka ogbugbu e gbùrù ya.
Ị metọọla m....." (ihu13)

Ọzọkwabụ: Aka ọrụ

Aka ọrụ: Anozie (2003) kwuru na akaọrụ mmadụ pụtara ihe niile mmadụ na-arụ nke e jiri mara ya nakwa nke o si na ya e nweta ihe o ji ebi ndụ. Akaọrụ bụ ihe mmadụ na-arụ bara uru nke nke nwere ike ọ bụrụ nke ọna-arụ mgbe ohere dapụtara. Akaọrụ mmadụ nwere ike ibu ọrụ ugbo, ọrụ aka, ịzụ ahịa ma ọ bụ ụdị ọrụ ndị ọzọ mmadụ na-arụiji nweta ihe o ji adị ndụ. Odee gosipụtara nkwenye ndị Igbo gbasara ọrụ aka maka na ndị Igbo kwuru na aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ maka na ọ bụ onye rụọ, o rie. Nke a pụtara ihe mgbe Okoroigwe kwuru

"Ihe ọzọ bụ na
anyị bụcha ọga aka anyị.
Ana m azụ ahịa;
Mmadụmere bụ ojeozi
n'ụlọọrụ na-enye ihe ndị e ji ebi ndụ" (ihu18)

Aka ọrụ pụtakwara ihe mgbe Iloka gwara Emuka na

"..... Biko nwa m,
Ọrụ ugbo anaghị egbu egbu
Kama, ọ na-agọzi agọzi.... " (ihu 26)

E gosipụtakwara Emuka dịka onye chọrọ ọrụ aka, odee gosipụtara nke a mgbe ọ siri Ibewụike

" ...Abụ m anamachọọrụ
A nụrụ m na ị na-ewe ndị mmadụ n'ọrụ
m sị ka m bịa lee
ma ị ga-emere m ebere
nye m ọrụ" (ihu 64)

Odee gosipụtakwara Okoro dịka onye ọrụ aka mgbe ọsiri

"Nnaa,
Nke a bụghị afọ ise
mụ na gị tawara ahụhụ n'ugbo anyị?..."(ihu 103)

Ndị Igbo bụ ndị na-adị uche n'ọrụ.

Nkwenye ndị Igbo ọzọ bụ: Nrọ

Nrọ: Nrọ bụ emereme nke na-emena ndụ ime mmụọ. O na-eme mgbe mmadụ na-ehi ụra. odee gosipụtara nkwenye ndị Igbo gbasara nrọ. A hụtara nke a n'akparamagwa Iloka na Ahụdịya, na nrọ Iloka. Nke a pụtara ihe ka ọ na-asị

"Emuka,
Emuka, Emuka a a a.
Ọ bụ ọsọ ka ị na-agba? ..."(ihu84, 85)

E gosipụtakwara nrọ na ndụ Ahụdịya mgbe ọsiri

" ...Naanị nrọ ọjọọ nrọ ọjọọ ka mna-arọ
gbasara ya bụ nwata
N'abalị,
Arọrọ ma na nrọ... "(ihu91)

Ndị Igbo nwere nkwenye na nrọ nke ukwu. Ha kwenyere na nrọ bụ ụzọ chiukwu na chinta si agba ama makai he mereeme na ihe ọjọọ maọbụ mee ka aghọta etu ihe si kwụrụ n'ụwa ha bi.

NCHỌPỤTA NA NCHỊKỌTA

Nkebi nchọcha a ga-elebara anya na nchọpụta e nwetara, biazia mee nchịkọta.

NCHỌPỤTA/NCHỊKỌTA

Site n'ihe e merela ka ọ dị ugbu a, ọ dị mkpa irutu aka na Nwadike bụ onye gosipụtara ederede ya dịka nwoke ihe ọ na-eme dorom anya.O gosipụtara na ọ bụ ezigbo nwaafọ Igbo hụrụ asụsụ, omenala na ihe ọ bụla gbasatara ndụ ndị Igbo n'anya. Ejije ya ka o ji zipụtara mmadụ nsọpụrụ dịka o si metụta ndị nwee ya ma bụrụkwa onye anya ruru ala. Ejije ya, o ji rụtụchaa aka n'ihe gbasara omenala, nkwenye, ezinụụlọ na, okpukperechi. Odee sitere n'ejije *Nwata Bulie Nna Ya Elu* wee kọwaa omenalana nkwenye ndị Igbo dị iche iche.

N'ejije a, a katọkwara nkwenye ndị Igbo n'ebe ọ gbasatara ajọ ndụ nke pụtara ihe na ndụ Emuka, onye kwagidere nna ya ka o kee ekpe nye ya nke ya ka o jiri gaa obodo mepere emepe. A hụtara ajọ ndụ dịka otu ihe obodo kpọrọ asị nke ukwuu. Ejije a bụ nke edere maka nkụzi, ịnye ndụmọdụ nakwa izi ozi. Ejije a Neziokwu bụ nke isiokwu ya bụ nke zuru ụwa niile ọnụ. Nzisa ozi nke odee ka o mere site na enyemaka omenala na nkwenye ndị ọzipụtara. Onwere ọtụtụ ndịna isiokwu agụmagụ nke o sitere n'omenala ndị a wee zipụta nke gụnyere anya ukwu, mgbaghara, ọnọdụ ezinụlọ dgz. Odee sitekwara n'ejije a dụọụmụaka na ndị ntorobịa na-ebi ajọ ndụ ọdụ.

NCHỊKỌTA

N'ime nchọcha a, anyị rụtụrụ aka n'omenala na nkwenye ndị pụtara ihe. Nwadike gosipụtara n'ejije ya *Nwata Bulie Nna Ya Elu* n'ụzọ dị iche iche.

Ọ bụ ejije nkọcha na ejije oke ọchịchọ nke odee ji ederede ya kọchaa agwa oke ọchịchọ Emuka. Ọ bụ ejije mkpọobioma nke lekwasịrị anya n'omenala nke ọtụtụ mpaghara ala Igbo na-eme.

Emuka n' ejije gosipụtara agwaa ndị ntọrọ obia ugbu a na-akpa bụ agwa nkwarị aku na ụba nke ha ataghị aghụghụ nweta. Emuka nochitere anya ndị yahoo yahoo boys anyi na-ahụta n'ala Naijịrịa n' oge ugbu a.

EDENSIBỊA

Akaeze, C. M. (2017). *Elements of Igbo culture*. Lecture note, Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages. University of Nigeria, Nsukka.

Chukwu, U. B. (2019). Nkwenye dịka Ọ dị na *nkem ji ka* nke G. I. Nwozuzu dere. Arụmarụ B. A., Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijịrịa ndị ọzọ, Mahadum Naijịrịa, Nsụkka

Ezeuko, R. O. (1981). *Ewumewu, omenala, ofufe na nkwenye ndị Igbo.* Onisha: Etukokwu Publishers (nig).

Fafunwa, A. B. (1967). *New perspective in African education.* London: Macmillan.

Ikeokwu, E. S. & Onyejekwe, M. C. (2004). *Mmalite ọmụmụ na nghọta ejije Igbo:* Ọdịnaala na Ọlọrọohụụ. Enugu: CIDJAP Press.

Moody, H. I.B. (1968). *Literary appreciation*. London: Longman.

Ndunagum, U. H. (2016). Nnyocha ndịna na akanka n'ejije *Ajọ obi* nke G.I. Nwaozuzu Dere. Arụmarụ B. A., Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijịrịa ndị ọzọ,Mahadum Naijịrịa, Nsụkka.

Nwadike, I. U. (1992). *Ntoala agụmagụ.* Nigeria: Ifunanya Publishers.

Nwadike, I. U. (1992). *Nwata bulie nna ya elu.* Nigeria: Ifunanya Publishers.

Ngara, E. (1982). Stylish Criticism and the African Friction. Ibadan: Heinemann.

Nzeakọ, J. U. T. (1972). *Omenala ndị Igbo*. Lagos: Longman Nigeria Plc.

Okebalama, C. N. (2003). *Mkpọlite agụmagụ ọnụ Igbo*. Enugu: Snaap Press.

Okorie, O. (2009). *Omenaala na ewumewu ndị Igbo.* Enugu: Cheston Agency.

Nze, A. I., na Imo, G. (2010). Nchikọta Akwụkwọ maka ule Sennio Sekondri (WASSCE 2011-2015) Nnewi: Mis-Fav. Publishers 23

Reeves, J. (1979). The Critical Sense. London: Heinemann.